# ỌLỤLỤ NWUNYE NKE NWA-ATỤRỤ AHỤ
## Nkpughe 19:1-21.
### IHE ỌMỤMỤ 464 - Nke NdỊ-okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'etiti abali iti-nkpu dara, le, onye nālu nwunye ọhu! Putanu izute ya" (Matiu 25:6).**

**I Abụ̀ nke Haleluya nime Eluigwe**

1. Ndị abụ̀ nke eluigwe na-abụ abụ̀ otuto nye Chineke n'ihi ikpé Ya ziri ezi, Nkpughe 19:1-3.
2. Ndị-okenye ahụ na ihe anọ ahụ dị ndụ na-akpọ kwa isi ala nye Chineke, Nkpughe 19:4.

**II Nri Anyasị nke Ọlụlụ nwunye nke Nwa-atụrụ ahụ**

1. Otuto nke kachasị ukwu n'otuto niile nke enyeworọị Chineke n'ọgbọ niile malitere ka ekwupụtara ihe banyere Ọlụlụ nwunye nke Nwa-atụrụ ahụ, Nkpughe 19:5, 6.
2. Nwunye nke Nwa-atụrụ ahụ edoziwo onweya ma ná-egbokwasị kwa ezi ákwà ọcha, Nkpughe 19:7, 8; Matiu 25:3, 4, 7.
3. Ngọzi na-adịrị ndị akpọworo ịbịa n'ọlụlụ nwunye ahụ, Nkpughe 19:9; Matiu 25:10.
4. Mmụọ ozi ahụ ekweghị ka akpọ isi ala nye ya, Nkpughe 19:10.

**III Ndị agha ahụ n'elu Ịnyịnya Ọcha**

1. Jisọs Kraist na-edu usu ndị agha nke Eluigwe, Nkpughe 19:11-16.
2. Akpọrọ nnụnụ niile nke eluigwe ka ha bịa rie anụarụ nke ndị ahụ á ga-egbu n'Agha nke Ha-Magedon ahụ, Nkpughe 19:17, 18; Ezekiel 38:17-20.
3. Ike ọjọọ niile ndị ahụ jikọtara ọnụ ka achịkọtara ibu agha ahụ, Nkpughe 19:19; 16:16.
4. Mmeri nke Nwa-atụrụ ahụ ka emezuworo, Nkpughe 19:20, 21

## NKỌWA DỊ ICHE ICHE

Anyị bi n'oge nke Mmụọ Nsọ. Chineke ezipụwo Mmụọ Ya nime ụwa ịchọpụtara Ọkpara Ya Nwunye nsọ. Mgbe Nwanyị ahụ á na-alụ ọhụụ doziworo onweya na mgbe oge hour ahụ nke Chineke rọpụtara ga-eru, Onye ahụ ná-alụ Nwunye ọhụụ bụ́ Jisọs Kraist, ga-apụta ìhè na mbara eluigwe ịkpọrọ Nwunye ọhụụ Ya. N'oge ahụ Nrị anyasị nke Ọlụlụ nwunye nke Nwa-atụrụ ga-adị n'eluigwe mgbe ahụ Óké Mkpagbu ahụ ga na-adị n'elu ụwa nke a. Ọ gaghị abụ ihe iju-anya na ebe ọgụgụ ahụ na-agwa anyị "Ngọzi nādiri ndi akpọworo ibịa ná nri-anyasi Ọlụlụ-nwunye nke Nwa-atụru ahu."

Àtụ̀màtụ̀ nke Chineke maka mgbapụta nke mmadụ na mmeso Ya n'ebe ụmụ mmadụ nọ ka emeworo ka ha pụta ìhè site n'ọtụtụ ọgbọ gara aga ruo ugbu a. Anyị ahụwo mmezu nke ọtụtụ nime amụma niile nke Okwu Chineke. Chineke zitere Iwu na ndị amụma emesịa mgbe oge zuru, O zite Ọkpara nke aka Ya ka Ọ bụrụ àjà achụrụ n'ihi mmehie anyị niile. Ọ bụ onye ajụrụ ajụ, akpọgidere Ya n'obe, ma O biliri ọzọ n'ụbọchị nke atọ wee ná-anọdụ kwa ugbu a n'aka nri nke Chineke ná-arịọrọ anyị arịrịọ. Ihe niile ndịa bụ akụ̀kụ̀ nke àtụ̀màtụ̀ mbụ ahụ nke Chineke, Ọ bụghị kwa n'ụzọ ọ bụla mmeghariị nke ihe Chineke bu n'obi banyere nzọpụta nke mmadụ. Amaliteworị imezu akụkụ ọ bụla nke àtụ̀màtụ̀ ahụ enwere banyere ọgbọ a, ọ gaghị adị anya mgbe aga emezu ya.

Anyị bụ́ ndị ná-ebi site na mgbe Pentikọst malitere nwere ohere dị elu karịa ndị ọ bụla buworo anyị ụzọ, n'ihi na anyị enwewo mmetụ nke ọkpụkpọ òkù nke Mmụọ Nsọ ahụ ka Ọ na-ejeghariị n'ụwa niile ná-achọtara Ọkpara Chineke Nwunye ọhụụ. Anyị ahụwo kwa mwụpụ nke Mmiri òzùzò Ikpeazụ ahụ n'elu ubi ahụ chara acha ka ewere ihe ubi dị nime ya. Ọtụtụ ndị amụma na ndị kwesịrị ekwesị nke mgbe ochie chọrọ ka ha hụ ihe ndịa nke anyị nwapụtaworo ma ha ji náání anya nke okwukwe wee hụ́ ha dịka ihe gaje ịbịa. Ọ bụ ihe dị n'ebe dị anya n'oge ahụ. Anyị ahụwo ka awụkwasịrị Baptizim nke Mmụọ Nsọ n'arụ ndị ahụ azọpụtara ma doo kwa nsọ bụ ndị ọbịbịa nke Onyenweanyị na-agụ agụụ. Ha jikeere onweha site n'ijéghariị nime ìhè nke Okwu ahụ na site n'ịnara ihe agha ahụ nke Onyenweanyị rọpụtaworo.

**Ụmụ-agbọghọ Ná-amaghị Nwoke Nwere Uche na Ndị Nzuzu**

Na Matiu isi nke 25 anyị nwere ihe ọ̀mụ̀mụ̀ dị ebube maka inwe njikere isoro keta òkè na Nri Anyasị Ọlụlụ Nwunye nke Nwa-atụrụ ahụ. Ilu banyere Ụmụ-agbọghọ iri ahụ ná-amaghị Nwoke gosipụtara nkeọma, ise ndị jikeworo onweha maka ọbịbịa nke onye ahụ ná-alụ nwunye ọhụụ na ise ndị ná-ejikereghị. Ha niile nọ n'otù ebe, ma ewepụrụ ndị ahụ nwere uche site n'ebe ndị nzuzu ahụ nọ, wee kpọrọ ha bànye nime tupu ewee mechie ụzọ. N'otù aka ahụ ka á ga-ewepụ Nwunye ọhụụ nke Kraist, bụ ndị ahụ jikeworo onweha isoro Jisọs rịgoro n'elu mgbe Ọ ga-abịa, site n'etiti ndị ahụ nọ ha gburugburu. Ịmata na ọbịbịa nke Onyenweanyị dị nso abụghị ihe ga-enye mmadụ ike ịgafe n'ụzọ ahụ. Náánị ndị ahụ nwere mmanụ ahụ n'arịa ha ma ná-ejide kwa ọwa ha ga-enwe ike ịbà.

Oge ga-agafewori ijikere mgbe olu iti mkpu ahụ daworo, "Le onye nālu nwunye ọhụ! Pụtanu izute ya." Ọbịbịa nke Onyenweanyị maka Nwunye ọhụụ Ya ga-adị ọsọsọ dịka amụ̀ma nke ná-egbu site n'ọwụwa anyanwụ ruo n'ọdịda anyanwụ, ọ ga-abụ kwa n'oge hour ahụ mgbe á na-eleghị anya Ya, n'ihi na Okwu ahụ na-asị "na n'oge hour ahụ nke unu nēchegh ka Nwa nke madu gābia" Á ga-emechi kwa ụzọ.

**Ìgwè Ndị Abụ̀ nke Eluigwe**

Abụ̀ nke dị mma na ịbụ abụ̀ ná-atọ ọtụtụ mmadụ ụtọ nke ukwu nime ụwa nke a, ha na-agwa kwa mmadụ niile okwu ná-agbanyeghị agbụrụ onye ahụ ma ọbụ obodo ya. Ịma mma nke abụ̀ ahaziri nkeọma bụ ihe nke na-eweta ezi mkpali mmụọ nime anyị. Ma ụda nke Abụ̀ Haleluya nke a n'Eluigwe ga abụ nke kachasị ibe ya n'otuto niile nke ndị nsọ Chineke nke ọgbọ niile kwupụtaworo ma ọ bụ bụọ, ma ọ bụ nke ha deworo n'akwụkwọ. Anyị na-abụ banyere Ya n'ebe a, ihe O mere, na Ọ ga-abịa ọzọ na ihe Ọ gaje ime; ma abụ̀ nke a, ma abụrụ ya abụ̀ ma ọ bụ n'ekwuru ya n'ọnụ, ka ọtụtụ mmadụ nọ n'Eluigwe ga-agụ ma bụrụ kwa ihe obiụtọ nye ndị ahụ ewelikọrọ elu baa nime mbara igwe ibinyere Onyenweanyị mgbe niile. Lee ụdị abụ̀ nke a ga-abụ̀! Anyị achọghị ka anyị ghara iso na ya.

**Ọlụlụ Nwunye ahụ**

Ọ bụghị onye ọ bụla emesịrị zọpụta o wee ga n'Eluigwe ga-enwe òkè ná Nri Anyasị Ọlụlụ nwunye nke Nwa-atụrụ ahụ. Otú ọ dị, nke a ekwesịghị ime ka onye ọ bụla daa mba n'ụbọchị taa, n'ihi na ọ bụ ohere dịrị onye ọ bụla ijikere ugbu a ịbụ otù onye nime Nwanyị ahụ á na-alụ ọhụụ. Ọ dịghị onye ọ bụla ga-arapụ ịga ijè nime ìhè ahụ nke ná-enwu n'ọgbọ ahụ nke ọ na-ebi nime ya á ga-agụ n'onye ikpé ná-amaghị; ya mere ọ bụ ohere na ọlụ dịrị Onye Kraist ọ bụla taa ịga ijè nime ìhè niile nke ọ pụrụ inweta. Chineke agaghị ekpe ndị biri n'oge gara aga ikpé dịka Ọ ga-esi kpee ndị nke oge a; ya mere ọ bụ ihe dị mkpà nye onye ọ bụla ugbu a irita urù dị ná nrọpụta ahụ nke sitere n'àtụ̀màtụ̀ nke Chineke pụta iji nwee nzopụta, odudo nsọ, na ọwụwụ mmiri nke Mmụọ Nsọ na ọkụ, na ịga ijè nime ìhè niile nke Oziọma.

Ọ bụ Joel Onye amụma buru ya n'amụma: "Ọ gēru kwa ma emesia, na M'gāwusa Mọm n'aru anu-aru nile, bú madu; umu-unu ndikom na umu-unu ndinyom gēbu kwa amuma, ndi-okenye unu gārọ nrọ, umu okorobia-unu gāhù ọhù: e, ọbuná n'aru ndi-orù ndikom na n'aru ndinyom nēje ozi ka M'gāwusa Mọm na mgbe ahu" (Joel 2:28, 29). N'ezie anyị na-ebi n'oge ikpeazụ, anyị ahụwo kwa mmezu nke amụma a n'ọgbọ anyị. Nke a bụ Mmiri òzùzò ikpeazụ ahụ enyere iji jikere Nwunye ọhụụ nke Kraist. Ọ bụghị ihe dịrị náánị mmadụ ole na ole arọpụtara, kama ọ dịrị onye ọ bụla, ụmụ nwoke na ụmụ nwanyị, ndị orù ndịkom na ndị orù ndịnyom (nke ná-egosi na ọ diịrị ọgaranya na ogbenye n'otù aka ahụ). Mgbe Chineke mesoro ndị Israel n'ọtụtụ oge gara aga, O mesoro ha dịka ndị nke aka Ya, ndị orù ha ndị sitere ná mba ọzọ dị iche iche nwere ohere náánị n'ọnọdụ nke orù. Ma ugbu a onye ọ bụla nke ga-achọ, pụrụ ịbụ otù onye nime Nwunye ọhụụ nke Kraist.

Anyị amaghị ihe niile nke ga-emezu ná Nrị Anyasị Ọlụlụ nwunye nke Nwa-atụrụ ahụ, ma anyị maara na aga ejikọ Nwanyị ahụ á na-alụ ọhụụ mgbe ebighị ebi ya na Onye ahụ ihe ya na-atọ mkpụrụobi ya ụtọ (Abù nke Abù 5:16); Onye ahụ nke lụrụ ya nye onweya (Hosea 2:19, 20); Onye ahụ nke sịrị: "Anamaga idoziri unu ebe. Ma … agajem ibia ọzọ, M'gānara kwa unu nye Onwem" (Jọn 14:2, 3); Onye ahụ nke gosipụtara ịhụn'anya Ya n'ebe nzukọ Ya nọ mgbe O kpere ekpere, "Ka ha nile we buru otù; dika Gi onwe-Gi di nimem, dika Mu onwem di kwa nime Gi, …. Ka ihu-n'anya I ji hum we di nime ha, Mu onwem kwa nime ha" (Jọn 17:21-26); Onye ahụ nke Nwunye ọhụụ Ya kwesịrị ntụkwasịobi n'ebe Ọ nọ, na-ekpe ekpere ma ná-anọgide kwa n'ijéozi tutu ruo mgbe Onye ná-alụ ya ọhụụ ga-abịaghachi ọzọ n'ụwa (Ilu 31:10-31). Ọ na-eme ihe ndị ahụ nke aka ya hụtara ime, ná-eme ya dịka ọ na-emere ya Onyenweanyị. Ohere ọ bụla Chineke na-enye ya, ọ na-eji ịnụ ọkụ n'obi na ike ná-alụ ọlụ, dịka aga asị na Onyenweanyị Jisọs Kraist kwuru okwu sị, "Mee ya," wee guzo kwa n'ebe ahụ na-ele ya anya tutu ruo mgbe ọ lụsịrị ọlụ ahụ, ọ bụghị ka o mee ihe ga-atọ mmadụ ụtọ, kama dịka

ijéozi nke Kraist na-achọ n'aka ya na nke Ọ ga-akwụghachi kwa ya ụgwọ-ọlụ. Á ga-ejikọ Nwunye ọhụụ ahụ na Onyenweanyị, nke bụ Di ya, "N'ihi na di-gi bu Onye meworo gi; JEHOVA nke ụsu nile nke ndị agha bu aha Ya: ọzọ, onye ngbaputa gi bu Onye Nsọ nke Israel" (Aisaia 54:5).

Kraist Onweya ga-ejere ndị Ya ozi ná Nri Anyasị nke Ọlụlụ nwunye ahụ, á na-echè kwa na nke a ga-abụ oge ahụ á ga-enye ụgwọ-ọlụ n'ihi ọlụ alụrụ n'ikwesị ntụkwasị-obi. Otú ọ bụla o si dị, ọ bụ oge nke á na-ele anya ya dịka oge nke ngọzi dị ebube.

**Ọgwụgwụ ahụ**

Mgbe Nri Anyasị Ọlụlụ nwunye nke Nwa-atụrụ ahụ gasịrị, na kwa n'ọgwụgwụ nke Óké Mkpagbu ahụ n'elu ụwa, Onyenweanyị ga-abịaghachi ọzọ n'ike na n'óké ebube. Na nke mbụ Ọ bịara n'obi dị ume-ala na n'ịdị nwayọ ma n'oge a Ọ ga-abịa ịbọ̀ ọ̀bọ̀ megide ndị ahụ gburu ndị amụma na ndị nsọ. Nke a ka á na-akpọ mkpughe Ya, mpụta ìhè nke abụọ nime ọbịbịa nke ugbò abụọ Ya. Mpụta ìhè nke mbụ ga-abụ n'igwe-oji ịkpọrọ Nwunye ọhụụ Ya baa n'Ọlụlụ nwunye nke Nwa-atụrụ ahụ. Ọ bụ náání ndị ahụ debere uwe mwụda ha ọcha ná-enweghị kwa ntụpọ ga-ahụ́ Ya mgbe ahụ. N'oge mkpughe Ya Ọ ga-abịa ná anọkwasị n'elu ịnyịnya ná-edu ndị agha nke Eluigwe, anya niile ọ bụla ga-ahụ́zu kwa Ya.

Ọ ga-anọkwasị n'elu ịnyịnya ọcha, dị ka onye ọ bụla n'ime ndị mejupụtara usuu ndị agha na-eso Ya ga-anọkwa. Mgbe ahụ ka Agha nke Ha-magedon ga-ewere ọnọdụ. Nke a ga-abụ agha nke ezi omume, mbibi ahụ ọ ga-eweta ga-abụ kwa ikpé nke Chineke. Kraist ga-eguzobe alaeze Ya n'elu ụwa nke a ma were kwa mkpán'aka igwe ná-achị mba niile. Nke a ga-abụ ọchịchị eziomume nke otù puku arọ. Anụ-ọhịa ahụ na onye amụma ụgha ahụ, ndị duhieworo ndị ahụ bụ́ ndị naara akàrà nke anụ-ọhịa ahụ, ka á ga-eké agbụ wee tụba ha nime ọdọ ọkụ ahụ nke ji brimstone ná-ere.

Ná mkpughe nke Kraist, ndị Ju ga-elegide Ya anya bụ́ Onye ahụ ha mapúworo amapú wee nabata kwa Ya dịka Mesaia ha. Ha ga ná-ekpe ekpere ma ná-erukwara Ya uju n'oge Óké Mkpagbu ahụ, bụ nke á na-akpọ kwa oge ahụhụ nke Jekọb. Lee ka akụkọ hà si jupụta n'óké ihe mwuta site na mgbe ha kpọgidesịrị Onyenweanyị n'obe! "Ọ biakutere ihe nke aka Ya, ma ndi nke aka-Ya akpọbatagh Ya. Ma ka ha ra bú ndi nara Ya, ha ka O nyere ike ighọ umu Chineke" (Jọn 1:11, 12). Ndị nsọ ahụ ndị soro Kraist laghachi, na ndị ahụ ebipụwororị isi n'ihi àmà ha n'oge Mkpagbu ahụ, ndị emewokwara ka ha si n'ọnwụ bilie, ga-esoro Kraist ná-achị ma ná-abụ kwa eze n'oge (ọchịchị) nke otù puku arọ ahụ.

Ọbụná dịka Noa na èzínaụlọ ya na-ejikere ịbụ ndị azọpụtara pụọ n'Ijummiri ahụ, otú a ka Nwunye ọhụụ ahụ na-eme n'ụbọchị taa. Ndị ahụ nọ gburugburu Noa jiri ntị ha nụ ma ha ejighị obi ha ghọta. N'ụbọchị taa ụmụ mmadụ na-anụ ozi nke Oziọma na Onyenweanyị na-abịa ma ha adịghị emeghe obi ha nye ozi ahụ, n'ihi nke a, "ha amaghị kwa" na Onyenweanyị ga-apụta ìhè n'oge ná-adịghị anya. Ndị ahụ na-ejikere onweha ka á na-agụ dịka ndị "na-etufu ọtụtụ ihe nke ụwa nka," ma, ekele dịrị Chineke, nke ahụ bụ ihe ha na-adọgburu onweha n'ọlụ n'ihi ya. Mgbe ná-adịghị anya ka Onyenweanyị ga-asị, "Bia ndim bata nime ulo-gi nile, mechibido uzọ-gi nile n'azu-gi zobe onwe-gi náni otù ntabi-anya nta, rue mgbe óké iwe gāgabiga. N'ihi na le, JEHOVA nēsi n'onodu-Ya aputa iji ajọ omume nke ndi bi n'uwa leta ha: ọzọ ala gēkpughe ọbara-ya ọ gagh-ekpuchi kwa ndi-ya egburu egbu ọzọ" (Aisaia 26:20, 21).

Ka anyị jisie ike ịhụ na anyị so n'Ọlụlụ nwunye nke Nwa-atụrụ ahụ mgbe ahụ ka anyị ga-adị n'etiti ndị ahụ ga-eso Ya bịaghachi ịchị na ịbụ eze otù puku arọ.

## AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE

1. Òlee mgbe Ọlụlụ nwunye nke Nwa-atụrụ ahụ ga-adị?
2. Òlee ilu nke ná-akụziri anyị mkpà ọ dị inwe Mmanụ n'arịa anyị?
3. Ònye ga-achị ụwa nke a n'oge oké mkpagbu ahụ?
4. Ònye ga-achị ụwa nke a n'oge Ọchịchị nke otù Puku arọ ahụ?
5. Gịnị ga-eme anụọhia ahụ na onye amụma ụgha ahụ n'oge mkpughe nke Kraist?
6. Gịnị ga-abụ ebumn'obi nke ndị abụ̀ eluigwe ahụ ná-abụ abụ̀?
7. Òlee ndị ga-enwe òkè n'Ọlụlụ nwunye nke Nwa-atụrụ ahụ?
8. Ọ̀ bụ onye ga-eje ozi na Nri Anyasị Ọlụlụ nwunye nke Nwa-atụrụ ahụ?